ÉKWÉ JỌNAL NKE NDỊ IGBO SCHOLARS FORUM, NIGERIA. Volume 4 No 2, *September*, 2017

# Nsogbu Ụmụakwụkwọ Na-enwe N'ide Edemede Leta N'Igbo N'ule Siniọ Sekọndịrị

**Nke**

**Onwuka, Gloria T. (Ph.D)**
**Ngalaba Mmụta Nka, Mahadum Naịjịrịa, Nsukka**
gloria.onwuka@unn.edu.ng

## Ụmịedemede

Nchọcha a lebara anya na nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'ide edemede leta n'Igbo n'ule siniọ sekọndịrị. ọ bụ usoro sovee nkọwa ka e ji mee nchọcha a. Ndị e jiri mee nchọcha a bụ ndị nkụzi asụsụ Igbo dị iri atọ na ise n'ọnụọgụ. E ji ajụjụ ederede njụmaza wee nweta ihe e ji mee nchọcha a. Ọ bụ usoro miin na standad divieshọn ka e ji hazie ihe a chọpụtara na nchọcha a. Nchọpụta nchọcha a gosiri na ụmụakwụkwọ na-eme ndehie n'edemede leta Igbo n'ule SSCE n'ebe ndị a: ekele mmeghe na ekele mmechi anaghị adaba, ha anaghị etinyecha ntụpọ ebe o kwesịrị ịdị, ha ne-eme ndehie n'ebe nsupe mkpụrụokwu Igbo ụfọdụ dị tinyere na ha na-ewebata olundị n'edemede leta n'Igbo. Nchọputa nchọcha a gosikwara na ihe na-ebute nsogbu ndị a bụ ụkọ ndị nkụzi a zụrụ nke ọma n'asụsụ Igbo, ejighị ezigbo nka nkụzi kụziere ụmụakwụkwọ edemede leta n'Igbo, ụkọ ngwa nkụzi Igbo n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị, ọnọdụ akụnaụba ndị nne na nna ụmụakwụkwọ nakwa enweghị ezigbo mmasị ụmụakwụkwọ n'ebe ihe ọmụmụ asụsụ Igbo dị. Site na nchọpụta ndị a, onye nchọcha chere na ihe ga-enye aka belata nsogbu ndị a bụ : ndị gọvụmenti ịhụ na ndị nkụzi asụsụ Igbo a zụrụ nke ọma na ngwa nkụzi e ji akụzi asụsụ Igbo zuru oke n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị niile.

## Mkpọlite na Ntụleghari Nchọcha

Asụsụ bụ ihe dị oke mkpa na mmekọrịta mmadụ na ibe ya. ọ bụkwa ụzọ mmadụ na ibe ya si enwe mmekọrịta. Ezeuko

(2006), kọwara asụsụ dịka okwu e kwuru n'ọnụ ma ọ bụ e deturu edetu site na mkpụrụ edide ya. Ọ bụ site n'asụsụ ka mmadụ si egosipụta ihe dị ya n'obi. Asụsụ ọbụla ga-enwerịrị ndị na-asụ ya ma sikwa na ya na-aghọta onwe ha. E nwere ọtụtụ asụsụ na Naịjirịa nke asụsụ Igbo bụ otu n'ime ha.

Asụsụ Igbo bụ olu ndị Igbo na-asụ nke ndị na-asụ ya bụ ndị Igbo na steeti ndị a: Abia, Anambra, Ebonyi, Enugu, Imo, na ụfọdụ mpaghara Delta, Rivas, Cross Riva, Akwa Ibom na Benue. N'ime steeti iri a hụtara ndị Igbo, ise n'ime ha ka ndị Igbo bicha naanị ha. N'ime steeti ise fọrọ afọ bụ ha na agbụrụ ndị ọzọ bikọtara. Steeti ise ndị Igbo nwe kpọmkwem bụ: Anambra, Abịa, Ebonyị, Enugu na Imo. Onye nchọcha hụtara asụsụ Igbo dịka olu ndị Igbo naanị ha nwe ma na-asụ. N'ala Naịjirịa, asụsụ Igbo bụ otu n'ime asụsụ atọ pụtakarịchara ihe n'asụsụ e nwere ma bụrụkwa nke gọvụmenti kwadoro ka a na-agu n'ụlọakwụkwọ ma na-elekwa n'ule sekọndịrị. N'ihi nke a, ụmụakwụkwọ sekọndịrị ọ kachasị n'ala Igbo na-ele ule asụsụ Igbo n'ule sinịọ sekọndịrị a na-akpọ "West African Senior School Certificate Eụamination (WASSCE)" n'asụsụ Bekee. N'ule a a na-enye ụmụakwụkwọ isiokwu ise nke ha ga ahọrọ otu masịrị ha ma dee edemede na ya, nke edemede leta na-abụ otu n'ime ha.

Edemede bụ otu ụzọ e si anwale ụmụakwụkwọ n'amụmamụ asụsụ Igbo iji mata etu ha si ghọtadebe ihe a kụziri ha. Ọ bụ ụzọ mmadụ si akọwa ihe e nyere ya ka ọ kọwaa. Na nkọwa ya, Emenanjo (2005) gosipụtara na edemede na-adị n'ụdị nkọwasị, nchemina ma ọ bụ n'ụdị ide leta. N'aka nke ya, Nwadike (1993) kọwara edemede dịka akọrakọ ma ọ bụ ederede nka nke na-egosipụta ụzọ e si were asụsụ dịka ngwa ọrụ iji kọwapụta ihe e bu n'uche nke ọma. Edemede dị mkpa nke ukwu, nke a mere o ji dị mkpa na onye nkụzi ga-enye ụmụakwụkwọ ọzụzụ na ya iji asụsụ nne ji mụọ ha wepụta ihe ha bu n'uche nke ọma dịka etu o siri metụta ha, mkpa ha, echiche ha, amamihe ma ọ bụ mmụta n'ihe na-amasị ha. N'otu

aka ahụ kwa, onye nkụzi ga-agba mbọ inye ụmụakwụkwọ nkwalite na ohere maka ụdị edemde dị iche iche tinyere ndị ahụ metụtara nhụrụnuche na nsirinuche onye pụta.

Edemede ọ bụla nwere usoro na nhazi nke ya. Etu e si ahazi edemede leta abụghị etu e si ahazi edemede ndị ọzọ dịka edemede akọmakọ, mkparịtaụka dgw. Edemede leta bụ edemede a na-edegara onye anọghị nso iji gwa ya ihe odee gaara ịgwa ya ma ọ bụrụ na ọ nọ nso. Nhazi edemede leta na-adị n'ụdị a: adreesị (ebe leta si na oge e dere ya), ekele mmalite, ahụ leta na ekele mmechi na aha onye dere leta. Nwata akwụkwọ ọ bụla kwesịrị ịhazi usoro edemede ya nke ọma bido na adreesị rue na mmechi.

Ọtụtụ mgbe, ụmụakwụkwọ na-enwe nsogbu dị iche iche mgbe ha na-ede edemede n'Igbo ọ kachasị leta. Ha na-eme ndehie dị iche iche mgbe ha na-ede edemede leta. Ndehie bụ ụzọ niile onye na-ede asụsụ si edehie ihe ọ na-ede n'ụdị ọ bụla. O nwere ike ịpụta ihe na nsụpe mkpụrụokwu, etinyeghị akara edemede dịka; kpọm, rịkọm, ịhapụ mkpụrụokwu ma ọ bụ akara edmede e kwesịrị ka e denye. Ndehie dịka Ubahakwe (2002) si kọwa nwere ụdị abụọ. Nke mbụ bụ nke ọ kpọrọ 'ndehie na-esite n'otu asụsụ gafee n'asụsụ ọzọ. Nke abụọ bụ nke na-apụta ihe mgbe onye na-ede asụsụ ahụ amachaghị ma ọ bụ edobechaghị iwu asụsụ ahụ mgbe ọ na-ede ihe odide asụsụ ahụ. Ndehie dị n'ụdị nke abụọ nwere ike isite n'aka onye nkụzi, nke a bụ maka na oge ụfọdụ ndị nkụzi na-akụzi asụsụ Igbo amachaghị iwu nsupe na mmebe okwu dị n'asụsụ Igbo. Ọtụtụ ndehie ụmụakwụkwọ na-eme n'edemede Igbo na-abụkarị n'ebe ndezita dị. ọtụtụ ihe bụ ihe na-ebute ọnọdụ a dịka: mkpọhie mkpụrụokwu nke sitere na mmekọrịta asụsụ Igbo na asụsụ Bekee, ụmụakwụkwọ iwebata olundị ha nke dịwagara iche n'Igbo izugbe na amaghị usoro ndakọrịta ụdaume. Ndehie nke a na-apụtakarị ihe n'ebe mkpọpụta, iwu mmebe okwu Igbo na mkpụrụasụsụ (Oluikpe, 2008). N'ịkwado nke a onye isi asụsụ Igbo n'ule WASSCE n'afọ 2014 kwupụtara na ihe dịka pasenti

iri asatọ na ise enwetaghị ma otu maakị na ndezita n'edemede ha n'ule WASSCE n'afọ 2014. ọ gara n'ihu kwuo na ọ dị mkpa na ụmụakwụkwọ ga-ewepụta oge ma tinye uche n'ọmụmụ etu e si asupe mkpụrụokwu Igbo nakwa iwu odide Igbo ma o bụrụ na ha ga-eme nke ọma n'edemede ha n'oge ọdịniihu.

Nsogbu ozọ ụmụakwụkwọ na-enwe n'ide leta n'Igbo bụ na ha anaghị ewepụta ndịna dị n'isiokwu ha na-ede maka ya nke ọma. Ewepụtaghị ndịna ndị a ma kọwaa ha nke ọma ga-eme ka edemede ha hapụ inye ọgụụ afọ ojuju nke ga-eme ka ha ghara ime nke ọma n'edemede Igbo ọ kachasị leta. Enweghị mmasị n'ọmụmụ asụsụ Igbo bụkwa nsogbu ọzọ ụmụakwụkwọ na-enwe n'ide edemede leta n'Igbo. Nke a dịka Umo (2006) siri kọwa, esiteghị n'asụsụ Igbo n'onwe ya kama o nwere ike isite n'ụdị nka ndị nkụzi Igbo ji akụzi ya nakwa ngwa nkụzi e ji akụzi asụsụ Igbo. Nwadike (1993), hụtara ejighị ezigbo nka nkụzi akụzi edemede leta dịka otu nsogbu na-adọghachi nkụzi na ọmụmụ edemede leta n'Igbo azụ n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị. ọ kọwara na nka nkụzi ọtụtụ ndị nkụzi na-ejikarị akụzi leta bụ nka okwukwu, nke ọ bụ naanị onye nkụzi na-ekwu, ụmụakwụkwọ anaghị etinye echiche nke ha. Iji naanị nka a kụziere ụmụakwụkwọ edemede leta adịghị mma maka na ha nwere ike ha agaghị aghọtacha ihe onye nkụzi na-akụzi. Nke a ga-eme ka ha ghara inwe mmasị ma mee ka ha ghara ime nke ọma n'ule.

Mbunuche nchọcha a bụ ileba anya na nsogbu ụmụakwụkwọ sekọndịrị na-enwe n'ide edemede leta n'ule siniọ sekọndịrị. Nchọcha a lebara anya kpọmkwem na:

1. Ụdị ndehie ụmụakwụkwọ na-eme n'ide edemede leta n'Igbo n'ule siniọ sekọndịrị.
2. Nka ndị nkụzi ji akụziri ụmụakwụkwọ sekọndịrị edemede leta n'Igbo.
3. Ụdị ngwa nkụzi e nwegasịrị n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị.
4. Ka ụmụakwụkwọ sekọndịrị si nwe mmasị n'ọmụmụ asụsụ Igbo.

E wepụtara ajụjụ anọ maka nchọcha a:

1. Kedụ ụdị ndehie ụmụakwụkwọ na-eme n'ide edemede leta n'Igbo n'ule siniọ sekọndịrị?
2. Kedụ ụdị nka ndị nkụzi ji akụziri ụmụakwụkwọ sekọndịrị edemede leta n'Igbo?
3. Kedụ ụdị ngwa nkụzi e nwegasịrị n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị?
4. Kedụ ka ụmụakwụkwọ sekọndịrị si nwe mmasị n'ọmụmụ asụsụ Igbo?

**Usoro Nchọcha**

Ụdị nchọcha e jiri mee nchọcha a bụ nke sọvee. ọ bụ nchọcha nke sọvee maka na e ji usoro sọvee lebaa anya na nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'ide edemede leta n'ule asụsụ Igbo na siniọ sekọndịrị. Nchọcha nke sọvee dịka Nworgu (2006) kọwara, bụ ebe e ji mmadụ ma ọ bụ ihe ole na ole nweta ihe njiri mee nchọcha nke nọchitere anya mmadụ ma ọ bụ ihe niile a chọrọ iji mee ya bụ nchọcha.

Ebe onye nchọcha mere nchọcha a bụ n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị dị n'okpuru ọchịchị Mgbago ugwu Igboeze nke steeti Enugu. Ndị Mgbago ugwu Igboeze nwere ụlọakwụkwọ sekọndịrị dị iri na asaa n'ọnụọgụ. Ndị agbataobi ha n'ọdịda anyanwụ bụ ndị Ndịda Igboeze nke steeti Enugu, na ndịda ugwu bụ ndị Amaka nke steeti Kogi, n'ọwụwa anyanwụ bụ Udenu dị na steeti Enugu ebe agbataobi ha na Mgbago ugwu bụ ndị Adapi nke steeti Benue. Ndị Mgbago ugwu Igboeze bụ ndị e ji ịkọ ọrụ ugbo mara, nri ha na-akọpụta gụnyere: ede, ji, akpụ, ọka na ụmụ nri ndị ọzọ nke ha na-eri ma na-erekwa n'ahịa.

Ndị nkụzi asụsụ Igbo dị iri atọ na ise n'ụlọakwụkwọ niile dị n'okpuru ọchịchị Mgbago ugwu Igboeze , ka e ji mee nchọcha a. E meghị nsere ọbụla n'ihi na ọnụọgụ ha pere mpe.

Ngwa nchọcha e ji mee nchọcha a bụ njụmaza, nke isiokwu ya bụ Njumaza Nsogbu ụmụakwụkwọ N'ide Edemede Leta

N'Igbo (NNUNELI). Ọ bụ onye nchọcha ji aka ya mepụta njụmaza ahụ. Ọ bụkwa ndị ọkammụta nọ na nnukwu ngalaba Edukeshọn na Mahadum Naịjirịa, Nsụkka tulere ya. Ajụjụ dị iri abụọ na ise nke ndị nkụzi zara mebere NNUNELI. E ji miin na ndịpụ n'izugbe (Standard Deviation) wee hazie ma tụchaa ihe njiri mee nchọcha e nwetara na nchọcha a. Akara miin bidoro na 2.50 gbagowe ka a nabatara dịka ọsịsa dabara n'ihe a na-achọ, ebe akara miin pekarịrị 2.50 bụ ndị a nabataghị na nchọcha a.

## Nchọpụta

### Ajụjụ Nchọcha nke Mbụ

Kedụ ụdị ndehie ụmụakwụkwọ na-eme n'ide edemede leta n'Igbo n'ule siniọ sekọndịrị?

**Tebul 1**: ọsịsa Miin na Standad Divieshọn ụdị ndehie ụmụakwụkwọ na-eme n'ide edemede leta n'Igbo n'ule siniọ sekọndịrị (N =35).

| **Ọnụọgụ** | **Ndịna** | [illegible] | **SD** | **Nkọwa** |
|---|---|---|---|---|
| 1 | Ekele mmeghe ha na nke mmechi anag | 3.51 | 0.88 | Nnabata |

| | | | | |
|---|---|---|---|---|
| | hị adagba. | | | |
| 2 | Ụmụ akwụkwọ a naghị etinyecha ntụpọ ebe o kwesịrị. | 2.97 | 0.74 | Nnabata |
| 3 | Ụmụ akwụkwọ na-emekarị ndehie n'ebe nsupe mkpụrụokwu Igbo dị . | 3.14 | 0.79 | Nnabata |
| 4 | Ụmụ akwụ | 2. | 0. | Ana |

| | | | | |
|---|---|---|---|---|
| | kwọa naghị eme ndehie n'ebe nsupe mkpụrụokwu Igbo dị. | 17 | 54 | bataghị |
| 5 | Ụmụakwụkwọ na-ewebata olundị n'edemedeleta ha. | 2.86 | 0.71 | Nnabata |
| 6 | Ụmụakwụkwọ na-ahapụ mkpụrụo | 2.51 | 0.63 | Nnabata |

| | | | | |
|---|---|---|---|---|
| | kwu ma ọ bụ akara edemede ebe e kwesịrị ka e denye ha. | | | |
| 7 | Ụmụakwụkwọ na-agwakọta asụsụ Bekee na nke Igbo n'edemede ha. | 2.89 | 0.72 | Nnabata |
| Nchikọta | | 2.86 | 0.72 | Nnabata |

Tebul nke mbụ gosiri ọsịsa miin na standad divieshọn ụdị ndehie ụmụakwụkwọ na-eme n'ide edemede leta n'Igbo. Site na tebul a, ndị zara ajụjụ nabatara ndịna ajụjụ 1, 2,3,5,6, na 7. Ajụjụ ndị a nwere akara miin 3.51, 2.97, 3.14, 2.86, 2.51, na 2.89 n'otu n'otu. N'aka nke ọzọ, ndị zara ajụjụ anabataghị ndịna ajụjụ 7 nke akara miin ya bụ 2.17. Na nchịkọta, akara miin 2.86 gosiri na ndị zara ajụjụ kwenyere na ụdị ndehie ụmụakwụkwọ na-eme n'ide edemede leta n'Igbo gụnyere na: ekele mmeghe ha na nke mmechi ha anaghị adagba, ha anaghị etinyecha ntụpọ ebe o kwesịrị ịdị, ha na-emekarị ndehie n'ebe nsupe mkpụrụokwu Igbo dị. Ọzọ kwa, ụmụakwụkwọ na-ewebata olundị n'edemede leta ha, ha na-ahapụ idenye mkpụrụokwu ma ọ bụ akara edemede ebe o kwesịrị ka e denye ha ma na-agwakọtakwa asụsụ Bekee na nke Igbo n'edemede ha.

## Ajụjụ Nchọcha nke Abụọ

Kedụ ụdị nka ndị nkụzi ji akụziri ụmụakwụkwọ sekọndịrị edemede leta n'Igbo?

**Tebul 2**: Ọsịsa Miin na Standad Divieshọn ụdị nka ndị nkụzi ji akụziri ụmụakwụkwọ sekọndịrị edemede leta n'Igbo (N =35).

| **Ọnụọgụ** | **Ndịna** | [illegible] | **SD** | **Nkọwa** |
|---|---|---|---|---|
| 8 | Ndị nkụzi Igbo na-eji usoro arụm | 3.09 | 0.77 | Nnabata |

| | | | | |
|---|---|---|---|---|
| | arụ na nchọpụta akụziri ụmụakwụkwọ edemede leta n'Igbo . | | | |
| 9 | Ndị nkụzi Igbo na-eji usoro akụkọ akụziri ụmụakwụkwọ edemede leta n'Igbo. | 2.71 | 0.68 | Nnabata |
| 10 | Ndị nkụzi | 2. | 0. | Nn |

| | | | | |
|---|---|---|---|---|
| | Igbo na-eji usoro mkparịtaụ ka akụziri ụmụakwụkwọ edemede leta n'Igbo . | 7 7 | 6 9 | abata |
| 11 | Ndị nkụzi Igbo na-eji usoro asọmpi akụziri ụmụakwụkwọ edemede leta | 2 . 8 6 | 0 . 7 1 | Nnabata |

| | | | | |
|---|---|---|---|---|
| | n'Igbo. | | | |
| 12 | Ndị nkụzi na-eji usoro nkọwapụta akụziri ụmụakwụkwọ edemede leta n'Igbo. | 3.11 | 0.79 | Nnabata |
| 13 | Ndị nkụzi na-eji usoro egwuregwu akụziri ụmụakwụkwọ edemede | 2.66 | 0.66 | Nnabata |

| | | | | |
|---|---|---|---|---|
| | leta n'Igbo. | | | |
| 14 | Ndị nkụzi na-agwa kọta nka dị iche iche oge ha na-akụziri ụmụakwụkwọ edemede leta n'Igbo. | 2.97 | 0.74 | Nnabata |
| Nchịkọta | | 2.88 | 0.72 | Nnabata |

Tebul nke abụọ gosiri ọsịsa miin na standad divieshọn ụdị nka ndị nkụzi ji akụziri ụmụakwụkwọ sekọndịrị edemede leta n'Igbo. Ihe njiri mee nchọcha e gosipụtara na tebul nke abụọ na-egosi na ndị zara ajụjụ kwenyere na ndịna ajụjụ nke asatọ rue na nke iri na anọ. Nke a pụtara na ndị nkụzi asụsụ Igbo na-eji nka arụmarụ na nchọpụta, usoro akụkọ, mkparịtaụka, asọmpi, nkọwapụta, egwuregwu na ngwakọta nka dị iche iche mgbe ụfọdụ na-akụziri ụmụakwụkwọ edemede leta n'Igbo.

## Ajụjụ Nchọcha nke Atọ

Kedụ ụdị ngwa nkụzi e nwegasịrị n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị?

**Tebul 3**: Ọsịsa Miin na Standad Divieshọn ụdị ngwa nkụzi e nwegasịrị n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị (N =35).

| **Ọnụọgụ** | **Ndịna** | [illegible] | **SD** | **Nkọwa** |
|---|---|---|---|---|
| 15 | Akwụkwọ ọgụgụ ụtọasụsụ Igbo. | 3.03 | 0.76 | Nnabata |
| 16 | Igwe kọmputa. | 2.41 | 0.60 | Anabata |

| | | | | |
|---|---|---|---|---|
| | | | | ghị |
| 17 | Akwụkwọ ọkọwa okwu Igbo. | 2.37 | 0.59 | Anabataghị |
| 18 | Eseresekaadị. | 2.11 | 0.53 | Anabataghị |
| 19 | Flannelgraphe ji anyado eseresekaadị na mgbo odee. | 2.11 | 0.53 | Anabataghị |

| | | | |
|---|---|---|---|
| Nchịkọta | 2.41 | 0.60 | Anabataghị |

Tebul nke atọ gosiri ọsịsa miin na standad divieshọn ụdị ngwa nkụzi e nwegasịrị n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị. Site na Tebul a, ndị zara ajụjụ kwenyere na ndịna ajụjụ nke iri na ise, nke a pụtara na e nwere akwụkwọ ọgụgụ ụtọasụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị. Sitekwa na Tebul a, ndị zara ajụjụ ekwenyeghị na ndịna ajụjụ nke iri na isii rue na nke iri na itọolu. Nke a pụtara na igwe kọmputa, akwụkwọ ọkọwa okwu Igbo, eserese kaadị nakwa flannelgraph e ji anyado eserese kaadị na mgbo odee kọrọ ụkọ n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị. Na nchịkọta, akara miin 2.41 gosiri n'eziokwu na ngwa nkụzi asụsụ Igbo kọrọ ụkọ n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị.

**Ajụjụ Nchọcha nke Anọ**

Kedụ ka ụmụakwụkwọ sekọndịrị si nwe mmasị n'ọmụmụ asụsụ Igbo?

**Tebul 4**: Ọsịsa Miin na Standad Divieshọn ka ụmụakwụkwọ sekọndịrị si nwe mmasị n'ọmụmụ asụsụ Igbo(N =35).

| **Ọnụọ** | **Ndịna** | [illegible] | [illegible] | **Nkọwa** |
|---|---|---|---|---|

| | | | | |
|---|---|---|---|---|
| **gụ** | | | | |
| 20 | Ọtụtụ ụmụa kwụkwọ enweghị ezigbo mma sị n'ihe ọmụmụ asụsụ Igbo n'ihi na enweghị nkwekọrịta n'otu ọtọgrafi e ji ede asụsụ Igbo. | 3.11 | 0.78 | Nnabata |
| 21 | Ọtụtụ ụmụa kwụkwọ | 2. | 0. | Nna |

| | | | | |
|---|---|---|---|---|
| | enweghị mma sị n'ihe ọmụmụ asụsụ Igbo n'ihi na ha anaghị enweta ezigbo nkwado site n'aka nne na nna.. | 97 | 74 | bata |
| 22 | Enweghị ezigbo ngwa nkụzie ji akụzi asụsụ Igbo | 2.97 | 0.74 | Nnabata |

| | | | | |
|---|---|---|---|---|
| | na-eme na ụmụakwụkwọ enweghị ezigbo mmasị n'ihe ọmụmụ Igbo. | | | |
| 23 | Enweghị ndị nkụzi a zụrụ nke ọma zuru oke n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị na-eme na | 3.43 | 0.86 | Nnabata |

| | | | | |
|---|---|---|---|---|
| | ọtụtụ ụmụakwụkwọ enweghị mmasị n'ihe ọmụmụ asụsụ Igbo. | | | |
| 24 | Ọ na-eme ụmụakwụkwọ ihere isụ asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ sekọndịrị. | 2.66 | 0.66 | Nnabata |
| 25 | Ụmụ akwụkwọ sekọndịrị nwere | 2.11 | 0.53 | Anabataghị |

| | | | | |
|---|---|---|---|---|
| | ezigbo mmasị n'ihe ọmụmụ asụsụ Igbo. | | | |
| Nchịkọta | | 2.88 | 0.72 | Nnabata |

Tebul 4 gosiri ọsịsa miin na standad divieshọn ka ụmụakwụkwọ sekọndịrị si nwe mmasị n'ọmụmụ asụsụ Igbo. Site na tebul, ndị zara ajụjụ kwenyere na ndịna ajụjụ nke iri abụọ, iri abụọ na otu, iri abụọ na abụọ, iri abụọ na atọ na iri abụọ na anọ ndị akara miin ha bụ 3.11, 2.97, 2.97, 3.43, na 2.66 n'otu n'otu. Nke a pụtara na e nweghị nkwekọrịta n'otu ọtọgrafi e ji ede asụsụ Igbo, a naghị enweta ezigbo nkwado site n'aka nne na nna, enweghị ezigbo ngwa nkụzi e ji akụzi asụsụ Igbo, enweghị ndị nkụzi a zụrụ nke ọma zuru oke na ihere ime ụmụakwụkwọ ịsụ asụsụ Igbo na-eme n'ọtụtụ n'ime ha enweghị mmasị n'ọmụmụ asụsụ Igbo. N'aka nke ọzọ, ndị zara ajụjụ ekwenyeghị na ndịna ajụjụ nke iri abụọ na ise nke na-egosi na ụmụakwụkwọ sekọndịrị nwere ezigbo mmasị n'ihe ọmụmụ asụsụ Igbo.

**Mkparịtaụka**

Nchọpụta nchọcha a gosiri na ụmụakwụkwọ na-enwe nsogbu n'ide edemede leta n'Igbo n'ule siniọ sekọndịrị. Site na nchọcha a, ụmụakwụkwọ na-eme ọtụtụ ndehie dị iche iche n'ide edemede leta n'Igbo n'ule siniọ sekọndịrị. Ekele mmeghe ha na nke mmechi ha anaghị adagba, ha anaghị etinyecha ntụpọ ebe o kwesịrị ịdị, ha na-emekarị ndehie n'ebe nsupe mkpụrụokwu Igbo dị. ọzokwa, ụmụakwụkwọ na-ewebata olundị n'edemede leta ha, ha na-ahapụ idenye mkpụrụokwu ma ọ bụ akara edemede ebe o kwesịrị ka e denye ha ma na-agwakọtakwa asụsụ Bekee na nke Igbo n'edemede ha. Ndehie ndị a na-eme na ụmụakwụkwọ anaghị eme nke ọma n'ule asụsụ Igbo ọ kachasị na siniọ sekọndịrị. Nke a kwadoro ihe onye isi asụsụ Igbo n' ule WASSCE n'afọ 2014 kwupụtara na ihe dịka pasenti iri asatọ na ise enwetaghị ma otu maakị na ndezita n'edemede ha n'ule SSCE.

Nchọpụta nchọcha a gosikwara na ndị nkụzi asụsụ Igbo na-eji nka arụmarụ na nchọpụta, usoro akụkọ, mkparịtaụka, asọmpi, nkọwapụta, egwuregwu na ngwakọta nka dị iche iche mgbe ụfọdụ na-akụziri ụmụakwụkwọ edemede leta n'Igbo. Nchọpụta a adabaghị na nke Nwadike (1993) nke na-egosi na nka nkụzi ọtụtụ ndị nkụzi na-ejikarị akụzi leta bụ nka okwukwu, nke ọ bụ naanị onye nkụzi na-ekwu, ụmụakwụkwọ anaghị etinye echiche nke ha. Na nchọcha a, a chọpụtara na ndị nkụzi na-agwakọta ọtụtụ nka ọnụ na nkụzi ha, kama onye nchọcha na-eche na ọ bụ enweghị mmasị ụmụakwụkwọ n'asụsụ Igbo butere anaghị eme nke ọma ha n'edemede Igbo n'ule SSCE.

Nchọpụta nchọcha a gosikwara na ọtụtụ ngwa nkụzi kọrọ ụkọ n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị. Ngwa nkụzi dị mkpa na nkụzi na ọmụmụ asụsụ Igbo. Ọ bụ ihe na-enyere onye nkụzi aka na nkụzi ya ime ka ihe ọ na-akụzi doo ụmụakwụkwọ anya nke ọma. Ọ bụrụ na nke a adịghị, ọ ga-eme ka ụmụakwụkwọ hapụ ịdị na-eme nke ọma n'ule asụsụ Igbo nke edemede leta bụ otu n'ime ya. Nchọpụta a dabara na nke Umo (2006) na nsogbu

ụmụakwụkwọ na-enwe n'ide leta n'Igbo bụ site n'ụdị ngwa nkụzi ndị nkụzi ji akụziri ha ihe.

Ndị zara ajụjụ kwenyere na nchọcha a n'ọtụtụ ụmụakwụkwọ enweghị mmasị n'ọmụmụ asụsụ Igbo maka na e nweghị nkwekọrịta n'otu ọtọgrafi e ji akụzi asụsụ Igbo. Ha kwenyekwara na a naghị enweta ezigbo nkwado n'aka nne na nna, enweghị ezigbo ngwa nkụzi e ji akụzi asụsụ Igbo, enweghị ndị nkụzi a zụrụ nke ọma zuru oke na ihere ime ụmụakwụkwọ ịsụ asụsụ Igbo bụcha ihe na-eme na ha enweghị mmasị n'ọmụmụ asụsụ Igbo. Ọ bụrụ na ụmụakwụkwọ enweghị mmasị n'ọmụmụ asụsụ Igbo, ọ ga-emetụta ha n'ule ya, maka na ọ bụ ihe mmadụ nwere mmasị na ya ka ọ na-etinye uchu ime. Nke a mere o ji dị mkpa na ndị nkụzi ga-ebido n'oge kụziwere ụmụakwụkwọ uru ọ bara ịmụ asụsụ Igbo n'ogo praịmarị, nke a ga-eme ka ha nwee mmasị ịmụ ya na sekọndịrị. ọ ga-emekwa ka ha na-agụ, na-ede ma na-emekwa nke ọma na ya n'ule ọkachasị na nke WASSCE.

## Mmechi, Mpụtara na Ntụnye Aro

Ụmụakwụkwọ na-enwe ọtụtụ nsogbu n'ide edemede leta n'Igbo n'ule siniọ sekọndịrị. Ha na-eme ndehie n'edemede n'ebe ndezi dị, ndị nkụzi asụsụ Igbo na-eji nka nkụzi dịka usoro arụmarụ na nkọwapụta akụzi edemede Igbo. Ngwa nkụzi e ji akụzi asụsụ Igbo nke edemede ọkachasị leta so n'ime ya ezuchaghị oke n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị tinyere na ọtụtụ ụmụakwụkwọ enweghị ezigbo mmasị n'ebe ọmụmụ asụsụ Igbo dị.

Ndehie ụmụakwụkwọ na-eme n'ide edemede Igbo ọ kachasị edemede leta emeela ka ha hapụ ịdị na-eme nke ọma n'ule edemede Igbo. Ụkọ ngwa nkụzi e ji akụziri ụmụakwụkwọ ihe n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị emeela ka ụmụakwụkwọ ghara ịghọta ihe a na-akụziri ha nke ọma nke na-emetụta ha n'ule. Enweghị nkwekọrịta n'otu ọtọgrafi e ji akụzi asụsụ Igbo,

anaghị enweta ezigbo nkwado n'aka nne na nna, enweghị ezigbo ngwa nkụzi e ji akụzi asụsụ Igbo, enweghị ndị nkụzi a zụrụ nke ọma zuru oke na ihere ime ụmụakwụkwọ ịsụ asụsụ Igbo emeela ka ọtụtụ ụmụakwụkwọ ghara inwe mmasị n'ọmụmụ asụsụ Igbo. Ụmụakwụkwọ ga-akwụsị iwebata olundị ya na ịgwakọrịta asụsụ Igbo na nke Bekee ọnụ mgbe ha na-ede edemede. O kwesịrị ka ha jiri naanị asụsụ Igbo (Igbo Izugbe) were na-ede edemede n'Igbo. ọ bụrụ na ha mee nke a, ha ga na-eme nke ọma n'edemede Igbo niile tinyere nke leta. Ndị nkụzi asụsụ Igbo ga-agba mbọ hụ na ha na-enye ụmụakwụkwọ edemede na klaas ka ha dee iji mee ka ha mụta nke ọma otu e si ede ma na-asụpe ihe otu o kwesịrị. Nke a ga-enyere ha aka ide ihe were were n'Igbo izugbe ma na-asụkwa ya etu o kwesịrị.

**Nrụaka**

Emenanjo, E.N.(2005). *Ule Igbo Maka Siniọ Sekọndịrị*. Ibadan: Spectrum Books Ltd.

Ezeuko, R.O. (2006). *Edemede Igbo maka Ndị Siniọ Sekọndịrị.* Ibadan: Macmillan Nigeria Ltd.

Nwadike, I.U. (1993). *Nka na Usoro Nkụzi Igbo.* Nsukka: Ifunanya publishers.

Nworgu, B.G. (2006). *Educational Research: Basic Issues and Methodology*. Nsukka: University Trust Publishers.

Oluikpe, B. (2008). Teaching the Art of Continuous Writing in Tertiary Education. In Ubahakwe, E.(Ed). *The Teaching of English Studies; Reading for Colleges and Universities.* Ibadan: Ibadan University Press.

Ubahakwe, E. (2002). Linguistics Inputs and Three Models of Presentation and Determinants of Students' Achievements in Senior Secondary School Essay Writing. Unpublished B.A Project University of Nigeria,Nsukka.

Umo, U.C. (2006). Combined Effects of Game Srategy and Location as Factors of Academic Achievement in Igbo Grammar. *International Journal of language, Society and Culture.* Issue 18

West African Eụaminations Council (2014). *Chief Eụaminers Reports' Nigeria.* Lagos: WAEC